**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0242**

# *Ọnụ-ọgụgụ Isi 26 & 27 (ahịrị-uche ahọrọ ahọ)*

*Ịgụkọ ọgbọ ọhụrụ ọnụ; Ihe banyeere ndi inyom; chineke nyere ha ihe dị ha mkpa; Mosis ga-ejikere ịnwụ*

Nke a bụ mmalite nkera ọhụrụ nke Akwụkwọ Ọnụ-ọgụgụ. Ndi ọgbọ ọhụrụ ha na-ejike ịba n'ala ahụ. Nkera fọdụrụ n'Akwụkwọ ọnụ-ọgụgụ bụ ihe banyeere njike a ka o kwuru banyeere ya.

## *ỊGỤKỌ ỌGBỌ ỌHỤRỤ ỌNỤ*

Ọ bụrụ na anyị tụlekọọ ọnụ-ọgụgụ ha n'arọ nke abụọ ha sitere n'Ijipt pụta na nke iri arọ anọ ahụ, anyị ga-ahụ ihe dị iche dị ukuu n'etiti ha abụọ. Ndepụta a otu Keil na Delitzsch n'Akwụkwọ bụ Commentary on the Old Testament ha dere na-egosi na mgbe ụfọdụ ebọ na-abawanye n'ọnụ-ọgụgụ ha, ụfọdụ ndi ọzọ gara n'iru na-ebelata ebelata n'ọnụ-ọgụgụ nke ha. Ihe nke mbụ ji karịa nke abụọ ahụ bụ madụ dị 1,820.

Agbụrụ n'Izrael...........Ọnụ-ọgụgụ mbụ............Ọnụ-ọgụgụ nke ugbu a

Riuben.........................46,500........................... 43,730

Simiọn.........................59,300............................22,200

Gad.............................45,650.............................40,500

Juda............................74,600.............................76500

Ịsaka...........................54,400.............................64,300

Zebulọn.......................57,400............................60,500

Ifrayịm.........................40,500............................32,500

Manasi........................32,200...............................52,700

Benyamin....................35,400...............................45,600

Dan..............................62,700..............................64,400

Asha............................41,500..............................53,400

Naftalị.........................53,400..............................45,400

**Mgbakọ ihe nile........603,550..............................601,730**

Iji maa atụ, Ebo Riuben ji madụ 2,770 dị ala karịa otu ha ha na mbụ.

***Ndia bu ab̦uru ndi Reuben: ndi-ha agukọtara agukọta we di orú nnù uzọ ise, na nnù iteghete, na ọgu isi, na iri[ọnụ-ọgụgụ 26:7].***

Ọ bụrụ na Ị laghachi azụ na isi nke mbụ, n'ebe edepụtara ọnụ-ọgụgụ ha nke mbụ ahụ, Ị ga-ahụ, *"ndi-ha agukọtara agukọta, ndi diri ebo Reuben, ha di orú nnù uzọ ise na nnù iri-na-isi na ọgu ise"(Ọnụ-ọgụgụ 1:21).* Nke ahụ bụ ihe mere iri arọ anọ gara aga mgbe ahụ ha malitere njem ha n'ọzara ahụ.

N'aka nke ọzọ, Dan tụkwasịrị ihe n'ọnụ-ọgụgụ ha.

***Ndia bu umu-ndikom Dan, dika ab̦uru nile ha si di: nke Shuham bu ab̦uru ndi Shuham. Ndia bu ab̦uru nke Dan, dika ab̦uru nile ha si di. Ab̦uru nile nke ndi Shuham, dika ndi-ha agukọtara agukọta si di, di orú nnù uzọ asatọ, na otù nnù[Ọnụ-ọgụgụ 26:42-43].***

Na nke mbụ ya ahụ ihe edepụtara nihi Dan bụ nke a***,*** *"ndi-ha agukọtara agukọta, ndi diri ebo Dan, ha di orú nnù uzọ asa na nnù iri-na-isi na ọgu iri-na-ise"(Ọnụ-ọgụgụ 1:39).* N'asụsụ ọzọ ya, Dan tụkwasịrị madụ dị 1,700 n'elu ole ha dị na mmalite.

Nchịkọta ihe nile bụ na Izrael ji madụ dị 1,820 dị ala karịa otu ha ha n'ọnụ-ọgụgụ na mbụ. Igwe madụ nile nke ọgbọ mbụ ahụ nwụrụ n'ọzara

ahụ, otu ahụ Chineke gwara ha. *"n'ọzara nka ka ozu-unu ga-ada; ndi-unu nile agukọtara agukọta, dika ọnu-ogugu nile unu si di, site n'onye ḅara orú arọ we gaba n'iru, ndi tamuworo ntamu megidem"(Ọnụ-ọgụgụ 14:29).*

***Ma n'etiti ndia ọ dighi nwoke ọ bula di sitere na ndi Moses na Eron, bú onye-nchu-àjà, gukọtara; ndi gukọtara umu Israel n'ọzara Sainai. 65 N'ihi na Jehova kwuru okwu bayere ha, si, Ha aghaghi inwu n'ọzara nka. Ọ dighi kwa nwoke ọ bula fọduru nime ha, ma-ọbughi nání Keleb nwa Jefune na Joshua nwa Nun[Ọnụ-ọgụgụ 26:64-65].***

Ihe dị ugbu a bụ ọgbọ ọhụrụ ha. Ndi ichie ha , ma ewezugha Keleb na Jọshụa, anwụsịwo. Chineke eboghị ndi ha na-erughị ọgụ-arọ ebubo ikpe ọmụma nke nnupụ-isi ahụ ha nupụrụ na Kedesh Banịya. Nke nwere ike nyeere anyị aka ịtụle mgbe bụ ọgbọ madụ kwesirị ịdị nwee ike nye ngụzi banyeere ihe ọbụla o metara. Mụ onwe M amaghị mgbe ọ bụ, anaghịkwanụ M ekwu na ọ bụ mgbe madụ gbara iri arọ abụọ. Ma ana M eche na ọ dị elu karịa otu ọtụtụ n'ime anyị na-eche banyeere ya.

Ha nile bụ ndi ọgbọ ọhụrụ ma ewezugha nadụ abụọ n'ime ha. Anyị gaje ịmata ihe ndi ọzọ dị ịtụnanya banyeere ndi-ikom abụọ ndi a mgbe anyị jeruru n'Akwụkwọ Jọshụa.

## *ISI 27*

AnyỊ nọ na nkera nke Akwụkwọ ọnụ-ọgụgụ nke anyị kpọkwasịrị "Ọgbọ Ọhụrụ."Anyị hụrụ ugbu a na mgbe agụrụ ha ọnụ nke abụọ ahụ na ọ bụ nanị Jọshụa na Keleb fọdụrụ site n'ọgbọ ndi mbụ ha ahụ. Nke ahụ bụ ma asụgharịa ya na madụ nile gbara site n'ọgụ arọ gbago nwụrụ n'agbata iri arọ anọ ahụ. Arọ ndi ahụ bụrị oge ndọgbu onwe n'ọlụ n'ime ọzara ahụ, ha nile lararị n'iyi. Izrael dị n'oge a bụ nanị ọgbọ ọhụrụ ha, bụkwa ndi gaje inwe nsgbu ọhụrụ ndi pụrụ iche.

Ọ na-esiirị ọgbọ ọhụrụ ike ịghọta mkpa nke ọgbọ gara aga, nihi na ọgbọ ọbụla nwere mkpa chere ya n'iru nke pụrụ iche nye ọgbọ ahụ. Ọ bụ ihe na-akpali mmụọ madụ ima na otu onye kewara ya n'ụzọ dị otu a. Mgbe ahụ Ị ka dị nta, Ị ga-ana-ata ndi ọgbọ bu gị ụzọ nanị ụta, ma mgbe I mere okenye gị ebido ịta ọgbọ na-esoje nke gị ụta. Ihe dị otu a bụ o si n'eke dịịrị ụmụ-madụ.

Ugbu a anyị batara n'isi 27 nke Akwụkwọ ọnụ-ọgụgụ, anyị na-ahụ na emere ka ọgbọ ọhụrụ ahụ chee mkpa ọhụrụ pụrụ iche irụ. N'ezi okwu, Mosis amaghị ihe o kwesiri ime. O kpesaara Onye-nwe anyị, nihi na n'iwu na omenala mba ndi ọzọ ha agụghị ndi-inyom ha n'ihe ọbụla; ha narị eme ka aga-asị na ha bụ ngwa-ulo na nke ọlụ ma ọ bụ ngwa-ahịa.

***IHE BANYEERE NDI INYOM***

***Ha we biarue nso, bú umu-ndinyom Zelọfehad, nwa Hifa, nwa Gilead, nwa Makia, nwa Manase, nke aḅuru Manase nwa Josef: ndia bu aha umu-ya ndinyom; Mahla, na Noa, na Họgla, na Milka, na Tiriza[Ọnụ-ọgụgụ 27:1].***

Ọ bụrụ na I nwere ọtụtụ ụmụ-agbọghọ n'ulo gị ruo na Ị makwaghị aha Ị ga-enye ha , mụta aha ndi dị nma n'ọnụ nwoke a: Maalaa, Noa, Họglaa, Mịlka na Tịrịza! Anụbeghị M ndi kpọrọ ụmụ ha ndi-inyom aha ndi a Zelofịhad kpọrọ ụmụ ya ndi a.

Lee Ọnụ-ọgụgụ 27:2-5:

*2 Ha we guzo n'iru Moses, na n'iru Eleeza, bú onye-nchu-aja, na n'iru ndi-isi na nzukọ Israel nile, n'ọnu-uzọ ulo-ikwū nzute, si, 3 Nna-ayi nwuru n'ọzara, ma ya onwe-ya adighi n'etiti nzukọ ahu ndi nēzukọ imegide Jehova nime nzukọ Kora: ma nime nmehie nke aka ya ka ọ nwuru: ma ọ dighi umu-ndikom o nwere. 4 N'ihi gini ka agāgupu aha nna-ayi n'etiti aḅuru-ya, n'ihi na o nweghi nwa-nwoke? Nye ayi ihe-*

*onwunwe n'etiti umu-nne-nna-ayi ndikom. 5 Moses we weta ikpé-ha nso n'iru Jehova.*

I kwesirị ịhụ nsogbu dapụtara ugbu a n'ebe a. Nwoke a bụ Zelofịhad nwụrụ n'ọzara ahụ, Ihe ọ mụtara bụ ụmụ ndi-inyom ise, nwoke esoghị na ha. N'ịgbaso ụkpụrụ iwu Mosis ahụ, ọ dị ka ọ bụ nanị ụmụ ndi-ikom na-eketa ihe nketa n'aka nna ha nihi na anaghị agụnye ndi-inyom na nke a. Nke bụ ezi okwu bụ na iwu nke ndi mba nile ọzọ gụpụrụ ha agụpụ n'ụzọ a. Anaghị atụnye ha n'echiche nihi nke a. Ma ugbu a ọ bụ gịnị ka ha ga-eme?

Ụmụ-agboghọ Zelofịhad ndị a mepere anya bụrụ ndi ma ka esi agba-mbọ. Anyị na-anụ ọtụtụ ihe banyeere ikike ndi inyom nwere n'ụwa taa. Nke bụ ezi-okwu bụ na ha natara oke ruuru ha n'Akwụkwọ-Nsọ. O nwere ụfọdụ ndi sị na Akwụkwọ-nsọ bụ nanị akwụkwọ ndi ikom. Ma otu ọ dị, dịka M na-agụ n'Akwụkwọ-nsọ na-aga n'iru, ahụwo M na o nyere ndi-inyom ugwu ruuru ha. Ekwere M na ha kwesirị inata oke nke ruuru ha.

Mosis n'onwe ya, n'oge a, amaghị ihe ọ ga-eme. Ana M eche na ọ sịrị ha, "Ọ dị nma ụmụ-agbọghọ, amaghị M ihe ekwesirị imeere unu. Ahụrụ M na ihe unu kwuru ziri ezi, ma ọ bụrụ na agbaso iwu na ụkpụrụ nke ọgbọ a unu ekwesighị ineta ihe ọbụla."Ya mere Mosis buuru mkpa ha bịaruo Jehova nso.

Lee ihe Ọnụọgụgụ 27:6-11 na-egosi:

***CHINEKE NYERE HA IHE HA CHỌRỌ***

*6 Jehova we gwa Moses okwu, si, 7 Ọ bu ihe ziri ezi ka umu-ndinyom Zelọfehad nēkwu: i ghaghi inye ha ihe-onwunwe nke ihe-nketa n'etiti umu-nne nna-ha ndikom; i gēme kwa ka ihe-nketa nna-ha gabiga rue ha aka. 8 Ọ bu kwa umu Israel ka i gāgwa okwu, si, Mbẹ nwoke*

*gānwu, ma o nweghi nwa-nwoke, unu gēme kwa ka ihe-nketa-ya gabiga rue nwa-ya nwayi aka. 9 Ma ọ buru na o nweghi nwa-nwayi, unu gēnye kwa umunne-ya ndikom ihe-nketa-ya. 10 Ma ọ buru na ọ nweghi umu-nne-ndikom, unu gēnye kwa umu-nne nna-ya ndikom ihe-nketa-ya. 11 Ma ọ buru na nna-ya enweghi umu-nne-ndikom, unu gēnye kwa onye-aru-ya nke di ya nso site n'aḅuru-ya ihe-nketa-ya, ọ gēnweta kwa ya: ọ gābu-kwa-ra umu Israel ukpuru ikpé, dika Jehova nyere Moses iwu.*

ị hụwo na Jehova na-agọtaara ndi inyom. Nke a bụ otu iwu pụrụ iche madụ pụrụ ịtụle banyeere ya. Anyị bi n'ọgbọ nke ụdị ịcha ikpe dị otu a ghọworo chi bọọ anụ ibe ya. O siri ike anyị ịchọ ịlaghachikwa n'ọgbọ ahụ mgbe eji ndi-inyom mere ngwa ahịa na ihe aga-ewere ma ọ bụ hapụ.

Nwanyị ọbụla kwesirị ikele Chineke ekele nke uku nihi na ọ bụ Akwụkwọ-Nsọ bu ụzọ nye ndi-inyom ikike na oke ruuru ha . Ana M eche na nke a bụ ihe tụrụ n'anya nke uku." *Ọ bu ihe ziri ezi ka umu-ndinyom Zelọfehad nēkwu: i ghaghi inye ha ihe-onwunwe nke ihe-nketa n'etiti umu-nne nna-ha ndikom."* Nihi nke ahụ, Chineke tinyere iwu na ụkpụrụ ọhụrụ nihi ha.

Ụmụ-ndi-inyom ise ndi ahụ chọrọrị iketa oke ruuru nna ha . Ọ bụghị ụkpụrụ ma ọ bụ iwu nke ọgbọ ahu na ha ga-enweta ya. Ihe ha ji chọọ ya bụ okwukwe, bụkwa ihe mere Chineke ji sị ka enye ha ihe nketa ahụ.

O nwere ihe mmụta dịịrị anyị taa site n'ebe a. Agwara anyị na ewerewo ngọzi nile ọ bula nke Mọ Nsọ gọzie ayi n'ebe di n'elu-igwe nime Kraist(Efe,1:3). Ekwere M na chineke na-anụ wee zakwa anyị ma na ngọzi nke ime mmụọ ma nke ihe nnweta nke ugbu a. Ana M eche na

ọtụtụ n’ime anyị dara ogbenye taa nihi na anyị, dịka ụmụ, anaghị asị Chineke Ya nye anyị ihe ndi a, dịka nna na-enye ụmụ ya. Chineke dịka Nna Ọ bụ Chọrọ imeere anyị ihe ọma.

Tinyeere nke a, anyị nwere ọtụtụ ihe ọma—ihe onwunwe ọma nke ime mmụọ n’ime Kraịst Jizọs. Ọ ga-amasị Ya ka anyị kụrụ ihe ndi a n’okwukwe. Ụmụ-ndi-inyom Zelofịhad bịara jụa banyeere ihe nwunwe nke bụ oke ruuru nna ha.

Taa anyị nwere ọtụtụ ihe onwunwe anyị kwesirị ịchọ ka enye anyị. Ka anyị gwa Nna anyị na anyị chọrọ ihe nketa anyị nakwa na anyị chọrọ inwe ngọzi nke ime mmụọ ndi ahụ. Ọ masịrị Ya ịgọzi anyị! Lee ka O si dị ebube!

### *MOSIS GA-EJIKERE ỊNWỤ*

Anyị abịaruwo n’akụkọ na-akpata iri uju. Anyị agbasowo Mosis ru ogologo oge ugbu a. N’ezie ebe ọ bụ ya dere akụkọ edere na Jenesis, nke ahụ pụtara na anyị na ya nọ site na Jenesis ruo ugbu a. N’ebe a ọ gaje ijikere iji site n’ọgbọ ihe omume nke ụwa a pụọ.

Lee ihe Ọnụ-ọgụgụ 27:12-14 na-ekwu:

*12 Jehova we si Moses, Rigo n'ugwu Abarim nka, hu kwa ala ahu nke M'nyeworo umu Israel. 13 Ma mbẹ i huworo ya, agāchikọta kwa gi na umu-nna-gi n'ala-mọ, ọbuná gi onwe-gi, dika achikọtara Eron, bú nwa-nne-gi na umu-nna-ya: 14 n'ihi na unu nupuru isi n'okwu-ọnum n'ọzara Zin, n'ise-okwu ahu nke nzukọ Israel, bú nke M'gwara unu me, idom nsọ na miri ahu n'anya-ha (Miri ahu bu miri Meriba Kedesh n'ọzara Zin).*

Chineke na-echetaara Mosis mgbe ahụ ọ kụrụ nkume ahụ nkpanaka ya ugbo abụọ, mgbe ihe Chineke sị ya mee bụ ịgwa nkume ahụ okwụ-

ọnụ ya. Chineke na-ekwu n’ebe a na nke ahụ bụ nnupụ isi n’iwu enyere ya. Nihi ihe ahụ Mosis mere, enyere ya ohere ileba anya n’ala nkwa ahụ, ekweghị ka ọ so banye n’ala ahụ.

N’ebe a ọ bụ nanị nkiri ka ekwere ka o kiri ala-nkwa ahụ. Chineke agaghị ekwe ka o banye n’ime ala ahụ. Ị hụwo otu aṅaghị ntị si akwụsị anyị ịbanye ihe nketa anyị nke ime mmụọ. Ekweghi ekwe na-edu anyị ruo inupụ isi. Ọ bụ ihe dị otu a mere Mosis.

Ọnụ-ọgụgụ 27:15-19 sịrị;

*15 Moses we gwa Jehova okwu, si, 16 Ka Jehova, bú Chineke nke mọ anu-aru nile, bú madu, nwere, Ya me otù nwoke ka ọ buru onye-nlekọta nzukọ a, 17 onye ganāpu apu n'iru ha, onye ganābà kwa abà n'iru ha, onye ganēme kwa ka ha nāpu apu, onye ganēme kwa ka ha nābà abà; ka nzukọ Jehova we ghara idi ka ìgwè ewu na aturu nke nēnweghi onye-ọzùzù. 18 Jehova we si Moses, Kuru n'onwe-gi Joshua nwa Nun, bú nwoke nke Mọm di nime ya, bikwasi ya aka-gi; 19 guzo kwa ya n'iru Eleeza, bú onye-nchu-àjà, na n'iru nzukọm nile; nye ya iwu n'anya-ha.*

Agaje ịhọrọ onye nnọchi ọnọdụ gaje ịnọchi ọnọdụ Mosis. Onye dị otu ahụ aghaghị ịbụ onye emejuru na Mọnsọ. Ibikwasị aka na-egosi nnọchi anya ma ọ bụ ịgbakọ aka n’ọlụ. Ị ga-echeta na Nzukọ Kraịst bikwasịrị Pọl na Banabas aka n’isi wee zipụ ha site n’Antịyọk. Ibikwasị aka ahụ o nyere ha ike pụrụ iche? MBA A A! Ikike na-esite na Mọnsọ Chineke. Ihe ọ bụ bụ igosi na nzukọ Kraịst na-ejikọ aka ha na ndi a n’ije ozi ahụ ezipụrụ ha. O bụ nke ahụ bụ ihe ibikwasị aka na-alụ.

Jọshụa kwesirị ịnọchi ọnọdụ ahụ Mosis nọrị. Mgbe Mosis na-awụsa ọwa nke ọlụ ya bụ mgbe Jọshụa na-achịrị ọwa ahụ nọchie ọnọdụ ya.

Anyị ga-amụ ọtụtụ ihe banyeere nwoke a mgbe anyị rutere n’Akwụkwọ Jọshụa. Achọrọ M ikwu n’ebe a na Jọshụa bụrị onye o juru anya nke uku n’etiti ọmụma-ulo-ikwu ahụ nile, mgbe ahọọrọ ya ịnọchi n’ọnọdụ Mosis. Elezie anya aga-eche na ọ bụ onye na-ekwesighị ekwesi ịbụ onye ga-anọchi anya Mosis. Ị ma ihe mere o ji dị otu ahụ? Ọ bụrị madụ efu. O nweghị onye jegharịrị na-ekwu na Jọshụa nwere onyinye ike nhazi ihe na nke ọchịchị pụrụ iche bụ ihe ndi anyị na-anụ banyeere ha taa. Ọ dịghị ka Jọshụa o nwere ihe ndi a. Ọ bụrị madụ efu dịka ndi ọzọ. Jọshụa na-ekpughere anyị ụdị ihe Chineke nwere ike jiri madụ efu ọbụla mee.

Aghaghị M ịsị gị na Akwụkwọ Jọshụa na nke Ndi-ikpe mere ka amara na Chineke na-eji madụ efụ eme ihe. Ọ bụrụ na madụ ọbụla enye Ya onwe ya, Chineke pụrụ iji ya lụọ ọlụ pụrụ iche. Nke ahụ pụtara na Ọ pụrụ iji mụ onwe M alụ oke ihe, nihi na Ọ na-eji ndi na-abụghị ihe uku eme ihe Ọ chọrọ ime. Nke ahụ pụtara na Ọ nwekwa ike iji gị eme ihe uku.

Ya mere Jọshụa bụ onye ahọọrọ ahọrọ. Anabatara ya iwere ọnọdụ Mosis nọrị na mbụ. Anyị ga-ahụ nke ahụ mgbe Mosis nwụchara na mmechi nke Akwụkwọ Diyuteronọmi, bụ mgbe Jọshụa weghaara ọnọdụ ahụ.

OKWU NCHỊKỌTA

***Moses we me dika Jehova nyere ya iwu: o we kuru Joshua, guzo ya n'iru Eleeza, bú onye-nchu-àjà, na n'iru nzukọ Israel nile: 23 o we bikwasi ya aka-ya abua, nye kwa ya iwu, dika Jehova kwuru n'aka Moses.[Ọnụ-ọgụgụ 27:22-23].***